# CHETA KWA!

**NDU DI NKPUKPU**

"Ọ bu alulu, nke naputa ihe nwa oge, memesia o we pua n'anaya" (James 4:14).

**ỌNWU AGHAGH IDI**

"Dike ọ bu kwa ihe edebeworo madu ka anwua anwu nani otu mgbe, ma mgbe nka gasiri ikpe eso ya" (Ndi Hib. 9:27).

**NMEHIE WETARA YA**

"N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otu madu ba n'uwa, dika ọnwu si n'aka nmehie ba kwa; ọnwu we si otu a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere" (Ndi Rom. 5:12).

**KRAIST BU NZOPUTA**

"N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otua, na o nyere ọbuna Ọkpara Ọ muru nani Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).

"N'ihi na enyerem n'aka-unu na mbu ihe m'nata-kwara idebe, na Kraist nwuru n'ihi nmehie-ayi nile, dika ihe edeworo n'akwukwo nsọ si di; na eli-kwara Ya; na emeworo kwara ka Ọ si n'onwu bilie n'ubọchi nke-atọ, dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di" (1 Ndi Kor. 15:3, 4).

"Ọbu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onwe-unu: ọbu onyinye Chineke: O sitegh n'ọlu, ka onye o bula we ghara inya isi" (Ndi Efe. 2:8, 9).

N'ihi na —

"Ọburu na igewere ọnu — gi kwuputa Jisus na Ọ bu Onye-nwe-ayi, na i gewere obi-gi kwere na emere ka O si na ndi nwuru anwu bilie, agazọputa gi: n'ihi na aneji obi kwere rue ezi omume; aneji kwa ọnu kwuputa rue nzọputa" (Ndi Rom. 10:9, 10).

"Ya mere chegharianu, chighari-kwa-nu, ka ewe hichapu nmehie nile unu" (Ọlu Ndi Ozi 3:19).

"N'ihi na, onye ọ bula nke gakpọku aha Onye-nwe-ayi, agazọputa ya" (Ndi Rom. 10: 13).

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria